NATIONAL PENSION COMMISSION

*...Pension Guaranteed*

# Ajuju A Na-aju Kwamgbe Kwamgbe

Banyere

# Atumatu Micro Penshonu

## Ajuju a na-aju kwamgbe kwamgbe banyere Atumatu Micro Penshonu

### 1. Gịnị bụ pénshọ̀nụ̀?

Pénshọ̀nụ̀ bụ ụ́gwọ́ a nà-àkwụ́ kwamgbe kwamgbe, nke onye lara ezumike ńkā na-ànátá mgbe ọ kwụ̀sịrị̀ ọrụ n'ihi na o ruola afọ kwesịrị ma ọ bụ n'ihi ihe metụtara ahụ ike, ka o wee nwee íkē lekọta onwe ya ányá na ńká.

### 2. Gịnị bụ Micro Pension Plan?

Micro Pension Plan bụ ńhàzí dị n'okpuru Atụmatụ Ntụkọta Penshọnụ (Contributory Pension Scheme - CPS) nke na-ekwe ka ndị nọ n'ọrụ ǹrụ́rụ́o nwe ma ọ bụ ndị na-arụ n'ụloọrụ nwere ndị-ọrụ na-érūghị atọ na-àtụ́kọ́tá ego maka mwube penshọnụ nke ha n'oge ezumike nka ha ma ọ bụ n'oge ha agaghị ènwézí ike ịrụ ọrụ.

### 3. Gịnị ka ọ ga-eji bụrụ Micro Pension?

Micro Pension na-ekwe nkwa nchekwa ndụ n'ọdịniihu site n'iwube akwụmụgwọ kwamgbe kwamgbe n'oge ezumike nka. Ọ na-ebelata ụ̀bịạ̀m oge ǹká, bụrụkwa usoro dị mfe, nke na-enweghị mgbakasị-ahụ ma bụrụkwa nke e nwere ike ịtụleghari mgbe ọbụla.

4. **Micro Pension Plan o meela nke ọma na mba ndị ọzọ ga?**

   Ee, Micro Pension Plan emeela nke ọma na mba dịka Ghana, Kenya na India.

5. **Atụmatụ Ntụkọta Penshọnụ (Contributory Pension Scheme - CPS) a manyere n'iwu ọ dị iche na Micro Pension Plan?**

   Penshọnụ a manyere n'iwu nakwa Micro Pension Plan bụ nhazi dị n'okpuru Atụmatụ Ntụkọta Penshọnụ (Contributory Pension Scheme - CPS). Naanị ihe dị iche n'etiti ha abụọ bụ ụdị ndị na-eme ha. Otu a, penshọnụ a manyere n'iwu bụ iwu na ọnye-ọrụ ọbụla tozuru etozu nakwa onye owuwe onyeọrụ ga-atụkọrịta ego maka akwumụgwọ penshọnụ nke onyeọrụ n'ezumike nka. Micro Pension n'aka nke ọzọ bụ naanị maka onye nwere mmasị na ya ma bụrụ nke naanị onye ahụ na-atụkọta ego na ya.

6. **Kedụ onye nwere ike isonye na Micro Pension Plan?**

   Onye ga-esonye na Micro Pension ga-abụrịrị:

   a) Onye Naijiria ga-adị opekata mpe afọ iri na asatọ;
   b) Nwere ebe e si akpata ego nke iwu kwadoro;
   c) Bụrụ onye ọ̀tụ́ azụmahịa/ọ́gbá́kọ̀/arụmọrụ; nakwa
   d) Nwere ike ịbụ onye ọrụ nrụrụonwe ma ọ bụ onyeọrụ

n'ụlọọrụ nwere ndịọrụ na-erughị atọ, ndị nwere ma ọ bụ ndị na-enweghị iwu nkwekorịta banyere ọrụ.

**7. Mmadụ o nwere ike inwe akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (Retirement Savings Account - RSA) karịrị otu?**

Mba. Onye ntụkọego (ezumike nka) ga-enwe naanị otu akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (Retirement Savings Account - RSA)

**8. Onye nọ na ngalaba ọrụ dị n'okpuru iwu, bụ onye nwegoro akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (Retirement Savings Account - RSA) e nwere ike isonye na Micro Pension Plan?**

Mba. Onye na-atụkọ ego n'okpuru nhazi penshọnụ a manyere n'iwu enweghị ike isonye na Micro Pension Plan.

**9. Kedụ ka m ga-esi sonye/deba aha na Micro Pension Plan?**

Onye tozuru itụkọ ego na Micro Pension nwere ike isonye/ideba aha site na ndị nlekọta ego ezumike nka (Pension Fund Administrator - PFA) ọbụla masirị ya, nweta ma dezuo akwụkwọ imepe akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (RSA) n'anụ ahụ ma ọ bụ igwe kọmputa. A ga-enyekwa onye debara aha ya dịka onye ntụkọego nọmba njirimara

pụrụ iche (Personal Identification Number).

10. **Kedụ ebe m ga-ahụ ndị nlekọta ego ezumike nka (Pension Fund Administrator) masịrị m?**

E nwere ike inweta aha na adreesị zuru oke banyere ndị nlekọta ego ezumike nka niile site na websaịtị nke National Pension Commission bụ www.pencom.gov.ng.

11. **Kedụ onye ga-ejikwa ma jìgídé ego a tụkọtara n'okpuru Micro Pension Plan?**

Ndị nlekọta ego ezumike nka (Pension Fund Administrator - PFA) na-ejikwa ma na-etinyekwa ego atụkọtara n'okpuru Micro Pension Plan n'ọrụ, na nnọchite anya nke onye ntụkọtaego, ebe ndị njikọta ego ezumike nka (Pension Fund Custodian) na-edebe ya bụ ego na akụ n'ezi nchekwa.

12. **Kedụ ụzọ National Pension Commission wepụtagoro maka nchekwaba ego dị n'okpuru Micro Pension Plan?**

E nwere ụzọ ńnyòchá na nlekọta nke atụmatụ a dị ìrè, nke kọmishọnụ na-ahụ maka ya site n'inyọcha, kwa ụbọchị, mkpebi metụtara atụmatụ akụ na ntinye ego n'ebe ọ ga-abawanye nke ndị nlekọta ego ezumike nka (Pension Fund Administrator) mere iji hụ na mkpebi ha sonyere n'usoro iwu na ụ̀kpụ̀rụ̀ nke kọmishọnụ.

**13. È ǹwèrè mwube na-ekwe nkwa nchekwa atụmatụ akụ n'okpuru Micro Pension Plan?**

Ee. Ndị njikọta ego ezumike nka (Pension Fund Custodian) ewepụtala nkwa zuru oke maka ḿkpóḱọ́tá akụ ezumike nka n'okpuru njikọta ya. Otu a, onye njikọtaego ga-akwụchigha kobo ọbụla furu efu.

**14. Akaụntụ nchekwa ego ezumike nka Micro Pension ọ na-amụta ego?**

Ee. Ndị nlekọta ego ezumike nka (Pension Fund Administrator) na-etinye ego n'ebe ọ ga-abawanye ma kwụnyekwa ego niile ọ mụtara n'ime akaụntụ nchekwa ego Ezumike nka (RSA) nke onye tụkọtara ego ahụ.

**15. Ego m tụkọtara n'òkpúrù Micro Pension Plan ọ bụ nke a ga na-ana ụtụ na ya?**

Mba. N'ịgbado ụ́kwụ́ n'ụ̀kpụ̀rụ̀ nke Kọmishọnụ tụpụtara, ego mmụta ọbụla, ego e kenyere, ndị e ritere, ndị e tinyere ebe ọ ga-abawanye na ego ndị ọzọ Micro Pension nwetara nakwa akụ ya abụghị nke a na-ana ụtụ na ha.

**16. Enwere m ike ikpebi ńgwá ego nke ego m tụkọtara ga-abanye n'ime ha?**

Mba. Mkpebi banyere ebe a ga-etinye ego ka ọ bawanye dịịrị ndị nlekọta ego ezumike nka (Pension Fund Administrator) dịka ha na-agbaso iwu ntinye ego nke ndị National Pension Commission nyere.

**17. Micro Pension Plan ọ dị iche n'akaụntụ nchekwa ego nke ndị ụ́lọ àkụ̀ azụmahịa na- edebe?**

Ee. Micro Pension Plan di iche n'akaụntụ nchekwa ego nke ndị ụlọakụ azụmahịa na-edebe n'ihi na ego nchekwa ọbụla e wubere n'okpuru atụmatụ a bụ nke e nwere ike iwere naanị dịka ụgwọ ezumike nka n'onwa n'ọnwa mgbe mmadụ lagoro ezumike nka. N'aka nke ọzọ, ego e chekwabara n'ụlọakụ azụmahịa bụ nke e nwere ike iwere oge ọbụla mkpa ya pụtara.

**18. Opekata mpe, ego ole ka onye ntụkọego nwere ike ịtụkọta n'okpuru Micro Pension Plan?**

O nweghị ego ole a rụtụrụ aka na opekata mpe onye ntụkọego ga-atụkọta n'okpuru Micro Pension Plan n'ihi na ọ gbadoro ụkwụ n'ọ̀chị́chọ́ ọ́bì̀ nke onye na-atụkọ ego penshọnụ ya nakwa etu akpa ya ha. Otu a, ntụkọta ego buru ibu ga-eme ka ego dị́ ú́kwú́ù̀ maka penshọnụ.

**19. Kedụ ụ̀gbọ̀rọ́ kwụ̀rụ́ ụ̀gbọ̀rọ̀ ọ̀lé mmadụ nwere ike ịdị na-atụkọta ego n'okpuru Micro Pension Plan?**

Ịtụkọta ego nwere ike ịbụ́ kwa ụbọchị, kwa izuụka, kwa ọnwa ma ọ bụ etu ọbụla o siri dabara onye ntụkọego. Ọ ga-adịkwa n'okpuru ihe ndị a chọrọ maka agbamama n'okpuru iwu metụtara mbufu ego (Money Laundering Prohibition Act).

**20. Kedụ ka m ga-esi me ntụkọtaego n'okpuru Micro Pension Plan?**

E nwere ike ime ntụkọtaego n'okpuru Micro Pension Plan site n'ịkwụnye ya n'ọkpụrụkpụego ma ọ bụ nyefee ya n'ikuku igwe kọmputa (electronic transfer) site n'ebe ịkwụụgwọ ọbụla ma ọ bụ site n'aka ụlọọrụego ndị ọzọ nwere nkwado ụlọ̀akụ̀ etiti nke Naijiria (Central Bank of Nigeria).

**21. Onye ntụkọego enwere ike iji akaụntụ Micro Pension Plan ya wee mere ngwa m̀bì̀té́ égō?**

Mba. E nweghị ike iji akaụntụ Micro Pension Plan wee mere ǹgwá m̀bì̀téégō?

**22. Onye ntụkọego enwere ike ị́sī n'akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (RSA) ya were ego ole karịrị ego o nwere na Micro Pension Plan ya ma kwụchighaa ya mgbe nwaoge**

**gachara?**

Mba. Onye ntụkọego agaghị enwe ike iwere ego karịrị ego ole o nwere n'akaụntụ Micro Pension Plan n'ihi na iwu mgbanwe penshọnụ 2014 gbochiri ụdị azụmụahịa ahụ.

**23. Kedụ ka m ga-esi wee were ego n'akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (RSA) nke m n'okpuru Micro Pension Plan?**

Onye ntụkọego nwere ike ịwere ego ole o nwere n'ime akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (RSA) ya site n'ụzọ abụọ gụnyere òwùwè ego égbómụ́ḿkpà na òwùwè ego úrù ezumike nka.

**24. Gịnị bụ owuwe ego égbómụ́ḿkpà?**

Ọ bụ iwepụ ego site n'oke akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (RSA) ahụ (ego a tụkọtara na nke e ritere n'uru n'ebe mbawanye ego) e mebere ka e si na ya ewepụ ego iji nyere onye ntụkọego na Micro Pension Plan aka ígbò mkpa ego dakwasara ya tupu o ruo oge ezumike nka ya.

**25. Gịnị bụ owuwe ego ezumike nka?**

Ọ bụ iwere ego site n'oke akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (RSA) ahụ, nke onye ntụkọego Micro Pension tózùrù

iwere n'ụdị ụgwọ ọnwa penshọnụ mgbe ọ làgòrò ezumike nka, dịka o siri dị n'iwu nlekọta ego ezumike nka na nke ịkwụsị ọrụ n'ike.

**26. Kedụ ka m ga-esi wepụta òkè ego egbomụmkpa nke m?**

Onye ntụkọego Micro Pension ga-enwe ike ísī n'ókè ego egbomụmkpa ya were ego site n'idegara ndị nlekọta ego ezumike nka (Pension Fund Administrator) ya akwụkwọ n'usoro a mapụtara.

**27. Ogologo oge ole ka mmadụ ga-atukọ ego tupu ọ nwee ike iwere ego n'oke ego egbomụmkpa?**

Onye ntụkọego Micro Pension ga-ètózù iwere ego n'oke ego egbomụmkpa nke akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (RSA) ya ma ọ gachaa ọnwá atọ ka mgbe ọ tụkọtara ego nke mbụ. Site oge ahụ gawazie, ọ ga-enwe ike isī n'oke ego egbomụmkpa nke akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (RSA) were ego, otu ugboro n'izuụka.

**28. Ógólógó oge òlé ka ọ na-ewe iji nata ego n'oke ego egbomụmkpa m tụtara?**

E nyere ndị nlekọta ego ezumike nka (Pension Fund Administrator) iwu ínyē nkwado ma kwụọ ego arịrịọ ka e site n'oke ego egbomụmkpa kwụọ, n'ime awa iri anọ na asatọ

e detere akwụkwọ maka iwere ego.

**29. Gịnị ka eme ma onye ntụkọego Micro Pension nwete ọrụ iwu kwadoro (formal employment?**

Onye ntụkọego Micro Pension ọbụla nwetere ọrụ iwu kwadoro ga-eme ka ndị nlekọta ego ezumike nka (Pension Fund Administrator) ya mara maka igbanwe penshọnụ ya ka ọ bụrụ nke a manyere n'iwu. Onye ntụkọego Micro Pension ga-edebekwa akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (RSA) nke o nwere maka iji ya mere penshọnụ a manyere n'iwu.

**30. Kedụ afọ ị́lá ezumike nka nke onye ntụkọego Micro Penshọnụ?**

Onye ntụkọego Micro Pension ga-ala ezumike nka ka o gbara afọ iri ise ma ọ bụ n'ihi nsogbu ahụike. Ka o sila dị, onye ntụkọego Micro Pension ga-enwe ike iweli afọ ịla ezumike nka ya ka ọ gafee afọ ise ma ọ masị ya.

**31. Kedụ ka m ga-esi nweta ego m ntụkọtara ma m lachaa ezumike nka?**

Ozigbo onye ntụkọego Micro Pension lara ezumike nka, ọ ga-enwe ike inweta ego ezumike nka ya site n'owuweego na ńzùbé (Programmed Withdrawal) ma ọ bụ site na ndụ anụiti (Life Annuity).

**32. Gịnị bụ owuweego na nzube?**

Owuweego na nzube bụ usoro owuwe ego ebe onye Micro Pension lara ezumike nka na-anara penshọnụ site na ndị nlekọta ego ezumike nka (Pension Fund Administrator) n'oge ndị a mapụtara, ya bụ n'ọnwa n'ọnwa ma ọ bụ mgbe ọbụla ọ gafere ọnwa anọ.

**33. Gịnị bụ Anụiti?**

Anụiti bụ usoro onye lara ezumike nka si anata penshọnụ site n'akwụkwọ nkwekorịta ọ zụtara n'aka ụlọọrụ laịfụ ịnshọransị (Life Insurance Company). Ọ na-ekwe nkwa akwụmụụgwo penshọnụ na ńkèjíógè na ńkèjíógè nye onye lara ezumike nka, na ndụ ya niile ọ nọ na-ezumike nka.

**34. Ogologo oge ole ka nkwa anụiti nà-ánọ̀?**

Nkwa ndụ anụiti maka onye lara ezumike nka nà-ánọ̀ afọ iri. Otu a, ọ bụrụ na onye lara ezumike nka nwụọ tupu afọ iri, ego fọdụrụ ma agbakọọ penshọnụ ya n'ọnwa n'ọnwa ka ọ wee ruo afọ iri fọdụrụ ka a ga-akwụ ndị ǹdàbé ya. Ọ bụrụkwanụ na onye lara ezumike nka nwụọ mgbe afọ iri e kwere na nkwa gachara, o nweghị ihe a ga-akwụ ndị ǹdàbé ya.

**35. Gịnị ga-eme ego fọdụrụ n'akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (RSA) nke onye ntụkọego Micro Pension ma ọ burụ na ọ nwụọ?**

Ego fọdụrụ n'akaụntụ nchekwa ego ezumike nka (RSA) nke onye ntụkọego Micro Pension ka a ga-akwụ ndị iwu kwadoro ịbụ ndị nketa akụ ya ma ọ nwụọ, dịka akwụkwọ ọchịchọ-obi (Will) ma ọ bụ akwụkwọ nlekọta nke Probate Registry nyere siri rụtụ aka, ma ọ bụ dịka ụlọikpe steeti onye ntụkọego nwurụ anwụ siri kwuo, etu ọbụla si kwesị dị.

**36. Enwere m ike isonye na Micro Pension Plan ma ọ bụrụ na m laa ezumike nka n'ebe m na-arụ ọrụ a manyere n'iwu?**

Mba. Micro Pension Plan na-nabata naanị ntụgharị site ís̄ī na Micro Pension Plan gafee na Mandatory Contributory Penshọnụ.

**NATIONAL PENSION COMMISSION**
Plot 174, Adetokunbo Ademola Crescent Wuse II, P.M.B. 5170 Wuse, Abuja, Nigeria.
Email: info@pencom.gov.ng
www.pencom.gov.ng
Tel: +234 (9) 4603943, +234 902 979 7837